# EBE NCHÉBÉ NA ỌÑỤ NKE ONYE EZIOMUME

## Abù Ọma 91:1-16

## IHE ÒMỤ̀MỤ̀ 83 - Nke NdỊ-etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "I bu ebe mgbabam na ebem ewusiri ike: I bu Chinekem, Onye m'nātukwasi-obi" (Abù Ọma 91:2).**

**Ebe Obibi Anyị**

Abù Ọma a amatara nkeọma ka ọtụtụ mmadụ gụworo bụ́ ndị ná-achọ ịkụrụ mkwà ya niile. Ọ dị ọnọdụ mmadụ ná-aghaghị iru tupu ya emee otú ahụ. Ọ dị n'amaokwu nke mbụ, nke bụ ihe ná eduba mmadụ n'ebe fọdụrụ n'Abù Ọma ahụ. Ka ewee nwee ike ịnọ n'okpuru ndò nke Onye pụrụ ime ihe niile, ọ dị mkpà ibi n'ebe nzuzo nke Onye kachasị ihe niile elu. Ọ bụ mkpụrụobi ahụ nke ná-ebi nime Chineke bụ nke ihe ọjọọ ọ bụla na-agaghị adakwasị.

Ọtụtụ ihe na-adabere n'okwu ahụ bụ́ "nēbi." Obibi a pụtara inwe ebe obibi ná-enweghị mbughari na ibigide n'ebe ahụ. Mkpebi anyị ga-abụ ibi nime Onyenweanyị oge niile, ịnọ nso Onyenweanyị -- ọ bụghị inwe ụfọdụ nime ihe ụwa na ụfọdụ nime ihe nke Oziọma – n'ihi na Baịbụl gwara anyị na anyị apụghị "ibu orù nke nna abua." Ibi nime Chineke pụtara nkewapụ zuru ókè site n'ụwa, ná adabereghị na ya ma nke ntà. Anyị apụghị ibiri Onyenweanyị ndụ n'oge ụfọdụ ma mee otú o si masị anyị n'oge niile ọzọ fọdụrụ. Ibi nime Onyenweanyị pụtara ime ihe ziri ezi ụbọchị niile, na ịnọ n'etiti uche Ya oge niile (Abù Ọma 105:3).

Tupu ụmụ Israel abànye n'ala Kenean, eburu ụzọ zipụ ndị nledo baa n'obodo Jeriko. Ha nọdụrụ n'ụlọ Rehab, onye zoro ha pụọ n'ebe eze ahụ nọ wee nyere ha aka ịgbapụ site n'iweda ha n'ofe mgbidi ahụ. N'ihi ihe a o mere, ọ rịọrọ ka ndị Israel ñụọrọ ya iyi na ha ga-edebe ya ndụ mgbe ha bịaghachịrị ịdọta obodo ahụ n'agha. Ndị nledo ahụ gwara ya ka okedo eriri ogho uhie ahụ na window ahụ nke o si na ya weda ha n'ofe mgbidi ahụ. Ha dọrọ ya aka-ná-ntị ka ọ nọgide nime ụlọ ahụ nke nwere eriri ogho uhie ahụ na window ya. Ọ bụrụ na o si n'ụlọ ahụ pụọ mgbe ha bịaghachiri ha agaghị arapụ ya. Ọ ga-ebi n'ebe ahụ n'oge niile. Ọ bụ kwa otù ụzọ ahụ n'ihe nke ime mmụọ; mgbe mmadụ na-ebi ndụ nime Onyenweanyị wee nogide n'ihe ịrịba-àmà nke Ọbara ahụ -- bụrụ onye azọpụtara -- ekpuchiwo ya na ndò nke ogwe-aka ebighị ebi Ya.

**Ebe Nchebe Anyị**

Abu Ọma nke a bụ nnọọ ihe dị iche n'ebe nchébé dum nke ụwa dị. Ọtụtụ mmadụ na-atụkwasị obi ha n'ihe ná-adị nwa mgbe nke ná-ala kwa n'iyi. Eleghịanya nke mbụ n'usoro bụ ego; ma ndị nwere ya rie nne achọpụtawo na o nweghị ike n'ebe nrịanrịa ma ọ bụ ihe ọghọm dị. Ọ pụghị kwa ịzụtara mmadụ ụzọ ịbà n'Eluigwe. Na 1 Timọti 6:10 anyị na-agụ na "ihu ego n'anya bu nkpọrọgwu nke ihe ọjọ nile di iche iche." Baịbụl kwukwara na oge na-abịa mgbe "madu gētufu ihe-efu ya nile nke ọlà-ọcha, na ihe-efu ya nile nke ọlà-edo, … nye anu mole na usu" (Aisaia 2:20).

Ndịọzọ na-agbalị inwe nchébé nime ịgụ akwụkwọ ma ọ bụ ná ngwa-agha. Ma ọ dịghị otù nime ihe ndịa nyezuworo mkwagide maka nchebe. Ma òlee kwa ihe mmadụ́ ga-ejigidesi ike n'ụbọchị ahụ mgbe "Elu-igwe na uwa gāgabiga"? (Mak 13:31). Ntụkwasịobi na inwe obi ike nke onye Kraist dị nime Onyenweanyị, ebe ewusịrị ike na Onyemgbapụta ya n'oge dum na n'ọnọdụ ọ bụla.

**Ebe Mgbabà na Onyemgbapụta Anyị**

Devid matara ihe ọ bụ bụ́ ịgba ọsọ n'ihi ndụ̀ ya. n'ihi na Sọl chọrọ ịgbu ya. N'Abù Ọma isi iri na asatọ amaokwu nke abụọ (18:2), Devid nwere otù ihe ịgbà-àmà ahụ: "JEHOVA bu nkumem di elu, na ebem ewusiri ike, na onye nēme ka m'gbapu; Ọ bu ọtam, na mpi nke nzọputam, na ulo-elum"; n'ihi na ọ matara na ọ bụ aka nke Chineke napụtara ya. Onye Kraist na-achọta ihe niile dị ya mkpà nime Onyenweanyị, ebe onye mmehie na-adabere n'amamihe nke onweya nke na-eduba ya n'ịla n'iyi.

Onyeiro ahụ pụrụ isiri ụkwụ gị ọnya, ma "Chineke kwesiri ntukwasi-obi, Onye nàgagh ekwe ka anwa unu kari nke unu puru inagide; kama n'oge ọnwụnwa ahu Ọ gēme kwa uzọ ngbapu" (1 Ndi Kọrint 10:13).

Ọ bụghị náánị na Chineke ga-anapụta anyị kama Ọ ga-ekpuchi kwa anyị ma ọ bụ bụrụ anyị ọta. Nchebe a dịkarịrị ukwuu, n'ihi na ọ na-amalite ịlụ ọlụ tupu mgbapụta adị anyị mkpà. Ọ bụ ebe anyị na-ezo. Jisọs mgbe Ọ na-ekwu okwu banyere Jerusalem, sịrị na Ọ ga-achịkọtaworị ụmụ ya ọbụná dịka nnekwu ọkụkụ na-achịkọ ụmụ nke aka ya n'okpuru nkù ya. Jisọs jiri ihe atụ ahụ na-egosi mkpuchi, nkasiobi, nchebe na ntụkwasịobi nke dị nime Onyenweanyị. Ọ bụ ebe mgbaba n'oge niile: "M'gagh-ara gi aka ma-ọli, M'gagh-arapu kwa gi ma-ọli" (Ndi Hibru 13:5).

**Nchébé Anyị**

N'oge Agha Ụwa nke abụọ, ọtụtụ ụmụokoro a na-apụghị ịgụta ọnụ gụrụ Abù Ọma 91 nke abịara matazie dịka "Abù Ọma nke onye ná-anyá ụgbọ elu." Ọ bụghị náánị na ha gụrụ ya kama ha kwere wee nwapụta kwa ya. Ọ bụ

ezie na ọtụtụ na-ada n'akụkụ ha, ọtụtụ ndị kwere n'Onyenweanyị ka echèbèrè site n'ọnwụ ma ụfọdụ enweghị ọbụná ihe mmerụ arụ.

Mkwà niile ndịa na-adị kwa irè ọbụná n'oge udo. Ọ bụ mkwà ekwere onye azọpụtara na ihe ọjọọ ọ bụla agaghị adakwasị ya na ọ dịghị kwa ihe otiti ọ bụla ga-emerụ ya arụ. Mgbe a na-ekwu banyere ihe otiti anyị na eche échìchè banyere ihe otiti iri ahụ nke dakwasịrị ndị Ijipt. Eziteere ha nhụju anya dị ukwuu n'ihi na ha jụrụ irubere Chineke isi. Ọ bụghị náánị mmadụ kama ala ahụ kwa ka Chineke nyere ahụhụ. Anyị chetara na, mgbe ihe otiti niile ahụ na-akarị njọ, Chineke kpara ókè n'etiti ala ndị Ijipt na n'ókè ala nke Goshen bụ́ ebe ndị Ya bi. Ihe otiti niile ahụ kpuchiri ala ahụ ruo ókè niile nke Goshen ma ọ banyeghị n'ime. Chineke agaghị eme nke ka ntà n'ụbọchị taa nye ndị niile ahụ ná-atụkwasị Ya obi.

**Iwu banyere Gị**

Onyenweanyị arọpụtaworo ndị nketa nke nzọpụta ahụ mmụọ dị iche iche nke ná-ejé ozi, ndị mmụọ ozi iché ha nchè (Ndi Hibru 1:14). Échìchè nke a ka egosiworo nkeọma site n'ihe osise nke a na-akpọ "Mụọ-ozi na-eche nchè," nke ná-egosi otù mmụọ ozi ná-eche ụmụ-ntakirị abuọ mgbe ha na-agafe àkwà-mmiri dị ókè egwù. Ihe osise a abụrụwo ihe ná-akpali okwukwe na olileanya nye ọtụtụ mmadụ. Ụmụntakirị na ndịokenye hụkwara ya n'anya n'ihi na site na ya ntụkwasịobi enwerewo ọnọdụ nke ụjọ.

Ụmụ Chineke niile ka mmụọ ozi nke Onyenweanyị chèbèworo. Ha pụrụ ịhụ́ otù aka nke Onyenweanyị si ná-anapụta ha n'oge ihe egwù, n'ihe nke dị ukwuu ma ọ bụ na nke dị ntà. Ọtụtụ ugbò ka ha nwapụtaworo nchébé site na Baịbụl, ma ọ bụ na mpaghara ya, akwụkwọ ọgụgụ nke Ndị Kraist, ma ọ bụ ekpere.

Ọ bụ otù akụkụ nke Abù Ọma a ka ekwensu gụpụtara mgbe ọ nwara Jisọs. O kugoro ya n'elu ụlọukwuu Chineke wee sị, "Ọ buru na I bu Ọkpara Chineke, si n'ebe a tuda Onwe-gi n'ala: n'ihi na edewo ya n'akwukwọ nsọ, si, Ndi mọ-ozi-Ya ka Ọ gēnye iwu banyere gi, iche gi: ọzọ, ọ bu kwa n'elu aka-ha ka ha gēburu gi, ka i ghara ikpọbì ukwu-gi na nkume ma elegh anya" (Luk 4:9-11). Ekwensu pụrụ ikwupụta ihe edere n'Akwụkwọ-nsọ; ma n'ebe a, dịka o si adị o kwuhiere ma ọ bụ tinye ya n'ebe ọ ná-adabaghị.

Jisọs zara ya site n'ikwu sị "Ekwuwo si, Anwala Onye-nwe-ayi Chineke-gi." Dịka Jisọs rubere isi n'okwu niile ahụ, otú a ka aga erubere ha isi n'ụbọchị taa. N'Abù Ọma nke iri iteghete na otù (91) anyị na-agụ na Onye Kraist pụrụ ịzọkwasị ọdụm na ajụala ụkwụ ná-enweghị ihe mmerụ arụ̀ ọ bụla. Ma ọ gaghị akpachara anya mee ya ka ọ ghara ịnwa Chineke ọnwụnwa; ma ọ bụ ime ihe ọ bụla nke na emerụ arụ̀ ná-ekwere na Chineke aghaghị ịnapụta ya.

**Ịtụkwasị Ịhụn'anya Gị na Ya**

Abù Ọma 91 nke a pụrụ ịbụ ihe ịgba àmà gị, kwa. Nye onye ọ bụla nke ná-atụkwasị ịhụn'anya ya n'ebe Onyenweanyị nọ, O kwewo mkwà nnapụta n'oge nsogbu na inye ọ̀zízá mgbe ọ kpọrọ. N'Aisaia 65:24 agwara anyị na, ọ gēru kwa na, "tutu ha akpọ, Mu onwem gāza; mgbe ha onwe-ha nọ nēkwu okwu Mu onwem gānu."

Ọ dị mkpà ka i mee Onyenweanyị ebe obibi gị ka i nwee ike ịnata Mkwà ndịa. Onyenweanyị na-arịọ ihe ntà n'aka gị n'ihi ọtụtụ ihe Ọ na-enye. Na Maika 6:8 anyị na-agụ sị, "Gini ka JEHOVA nāchọ n'aka-gi, ma-ọbugh nánị ime ihe ekpere n'ikpé, na ihu ebere n'anya, na iji obi-ume-ala soro Chineke-gi nēje ijè?"

## AJỤJỤ DỊ ICHE ICHE

1. Ònye ka enyere mkwà niile nke Abù Ọma a?
2. Òlee otú anyị ga-esi mara na anyị na-ebi n'ebe nzuzo nke Onye kachasị ihe niile elu?
3. Òlee otú Onyenweanyị si bụrụ ebe ewusịrị ike anyị?
4. Gịnị bụ ọta ukwu na ọta dị gburugburu anyị?
5. Ònye ka enyere iwu banyere ndịnsọ, idebe ha?
6. Gịnị ka ọ pụtara bụ́ ịnwa Chineke ọnwụnwa?
7. Gụọ mpempe akwụkwọ-ozi nke Apostolic Faith nke 11, "Abù Ọma nke Onye ná-ányà ugbọ elu."